# ÁKỤ̀ AHỤ DỊ N'UBI PEARL AHỤ DỊ ÓKÉ ỌNỤAHỊA ỤGBỤ́ AZỤ̀ AHỤ

## Matiu 13:44-52

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 78 Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Chègharianu; n'ihi na ala-eze elu-igwe di nso" (Matiu 3:2).**

**Ndúhie Nke Ákụ̀**

Ịchọpụta ákụ̀ zoro ezo abụrụwo ọlụaka ndị nchọpụta nke ọgbọ niile; ma ndúhie site n'ịchọ ákụ̀ furuefu, maọbụ ọlàedo ọhụụ emewo ka ọtụtụ mmadụ rapụ èzinaụlọ ha na ndị enyi ha, were ebe obibi ha nye ná mbé, ya na ihe niile ha nwere, wee daba n'ọtụtụ nsogbu nke ihe isiike -- olileanya ha bụ náánị ka ekpokọta iheonwunwe nke ụwa a. Ndị karịrị n'ọnụọgụgụ nime ha abụrụwo ndị náenwetaghị ihe ha naachọ, nrọ̀ ha niile emezukwaghị otú ha rọrọ ya; ma lee ụdị olileanya na ọñụ nke náadị n'etiti ndị ahụ chọtaworo ákụ̀ ahụ, ndị gwumikwara ala wee nwetara onweha ákụ̀ dị ukwuu.

**Ákụ̀ Kachasị Ukwuu**

Jisọs jiri alaeze eluigwe tụnyere ákụ̀ ezoworo n'ubi. Mgbe mmadụ chọpụtaworo ya o wee ree ihe niile o nwere ka ọ zụta ubi ahụ ma nweta kwa ákụ̀ niile ezoworoezo nime ya. Ákụ̀ ahụ bụ̀ Jisọs na Oziọma Ya, eziokwu ahụ nke ezoworo nime Okwu Chineke. Onye mmehie enweghị ike ịghọta ọñụ niile nke dị ná nzọpụta; ákụ̀ niile nke dị n'Okwu Chineke ka ezoroezo n'anya ya. Obi ahụ nke anụarụ naachị apụghị ịchọpụta ihe ọ bụla nke dị mma n'ụzọ nke ịdịnsọ; ma mgbe mmadụ ji obi ya niile náachọ eziokwu ahụ, ọ naachọpụta ya n'Okwu Chineke. Ngwangwa ọ naarapụ ihe niile nke ụwa ka o wee nweta ákụ̀ ahụ; lee otú obi gaesi náatọ ya ụtọ mgbe ọ chọpụtara ọñụ nke nzọpụta ahụ nime alaala nke obi ya!

Onyenweanyị sitere n'ọnụ Solomon kwueokwu ndịa, bụ́ nwoke ahụ nke nwere amamihe karị mmadụ niile ndị biworo n'ụwa: "Nwam, ọ buru na i nara okwu-ọnum nile, ọ buru kwa na i zobe ihe nile m'nyere n'iwu n'ebe i nọ, … Itọrọ amam-ihe nti-gi n'ala, we wezuga obi-gi inwe nghọta; E, ọ buru na ọ bu nmata ka i nākpọku, ọ buru kwa na ọ bu nghọta ka i nēweliri olu-gi; ọ buru na i chọ ya dika ọlà-ọcha, ọ buru kwa na ọ bu dika ákù zoro ezo ka i nēgwuputa ya: Mgbe ahu ka i gāghọta egwù JEHOVA, ọ bu kwa ihe-ọmuma Chineke ka i gāchọta" (Ilu 2:1-5).

Ụfọdụ mmadụ naachọpụta na náánị ego apụghị ime ha obiụtọ, ma ha naéchè na ịmụ akwụkwọ, ịganjèm gaemejupụta obi ha n'ojujuafọ; ma amamihe nke ụwa, mmadụ inwere onweya pụọ n'ụkọ́ na egwù, ihe ahụ ụmụmmadụ naakpọ "ihe nke di nma ná ndụ" apụtaghị ihe ọ bụla ma Jisọs adịghị nime ya. Onye "ákù nile nke amam-ihe na ihe-ọmuma di nime Ya" (Ndi Kọlọsi 2:3).

**Ọnụahị a Nke Jewel**

Ọchịchọ nke jewel dị óké ọnụahịa bụ̀ kwa ọlụ aka ọzọ nke rafuworo ọtụtụ mmadụ gafe ala na óké osimiri. Ka ihe ahụ anaachọsiike náakọụkọ́, otú a ka ọ naadị óké ọnụahịa karịa. Ọtụtụ narị puku naịra, ọbụná ọtụtụ ndè ka akwụworo n'ihi otù daiamọnd nke, mgbe emesịrị, ọ gaghị ewetara onye ahụ nwee ya añụrị ọ bụla nke náadịgide. Mgbe onye ọkachaamara n'ụdị ọlụ ahụ nụrụ ihe banyere pearl pụrụ ichè nke karịchara óké ọnụahịa nke o nwereike inweta ma ọ bụrụ na o ji ego ịkwụ ụgwọ ya, eji ya tụnyere nwoke ahụ nke Jisọs kwuru ihe banyere ya, onye mgbe ọ nụrụ maka otù pearl dị nnọọ óké ọnụahịa o ree pearl ọzọ niile o nwere ka o wee zụta nke ahụ dịkarịrị óké ọnụahịa nke ukwuu.

**Jisọs Bụ̀ Pearl Anyị**

Jisọs ji ụdị ịzụahịa dị otú a tụnyere mgbe ekpughere eziokwu nke Oziọma nye mmadụ. Ọ naachọ ka o nwetara onweya nkasịobi site n'iheụtọ nke ụwa, ma ọ dịghị enwe afọojuju rue mgbe o nwetara Kraist ahụ Onye bịara ịgbapụta ya dịka Onyenzọpụta ya. Jisọs bụrụ anyị ihe kachasị óké ọnụahịa; Jisọs nwụrụ ịzọpụta ndị furuefu na ijikekwara ha maka Eluigwe. Ọ dị óké ọnụahịa pụrụ iche "n'ihi na aha ọzọ di iche adigh kwa n'okpuru elu-igwe, nke enyeworo n'etiti madu, nke anāghagh izọputa ayi nime ya" (Ọlu Ndi-ozi 4:12). Ya Onweya abụghị náánị pearl dị óké ọnụahịa, kama náánị Ya nwere ụdị ọnụahịa dị ukwuu otú a. Ọ bụrụ na anyị anabataghị urù ọ bara anyị, ọ bụrụ kwa na anyị enyeghị ihe niile n'ihi Ya, anyị agaghị eje Eluigwe maọlị.

Onyeozi bụ̀ Pọl ghọtara na ndụ sitere náánị n'aka Jisọs, ya onweya bụ̀ onye ahụ rere ihe niile ka o wee nweta Ya. Ọ sịrị "E, tukwasi kwa, anamāgu kwa ihe niile n'iheiyi n'ihi ọkika nke ọmuma Kraist Jisus, bú Onyenwem, Onye m'yiri iyi ihe niile nkem n'ihi Ya, anamāgu kwa ha n'ihe nkpofu, ka m'we rita Kraist n'urù" (Ndi Filipai 3:8).

**Ihe Dị Ókéọnụ Nye Ndị Kwereekwe**

Ònye bụ̀ onye ahụ nke náachọpụta na Jisọs bụ̀ ihe dị óké ọnụ? "Ya mere ọ bu unu, bú ndi kwere ekwe, ka nsọpuru ahu diri: ma n'ebe ndi nādigh ekwe nọ, Nkume nke ndi nēwu ulo juru, Nke ahu ka emere isi nkuku ulo" (I Pita 2:7).

Òlee otú anyị gaesi “zuta” Jisọs? Anyị apụghị iji ego zụta nzọpụta anyị. Aisaia tiri mkpu sị: “Ge nti, onye ọ bula akpiri nākpọ nku, bianu na miri, onye ahu kwa nke nēnwegh ego bianu, zuru ọkà, rie; e, bianu, zuru kwa manya vine na miri-ara-ehi nējigh ego nārugh ọnu-ahia” (Aisaia 55:1). O jiri ihe oriri na iheọñụñụ ná atụnyere Oziọma ahụ, bụ́ ihe ahụ nke náenye anyị ndụ: náagbalị igosi na anyị pụrụ inweta ihe nke mmụọ náejighị ego ọ bụla wee kwụọ ụgwọ ya.

**Ịrapụ Ihe Niile**

Ugbu a gịnị ka anaachọ n’aka anyị? Anyị pụrụ “izuta” ihe nke Eluigwe site n’ịrapụ mmehie niile anyị na ịgbakụta ihe ọ bụla ázụ̀ nke gaeme ka anyị ghara ibi ndụ anyị nye Jisọs na iji obi anyị niile jéré Ya ozi. Pita gwara Jisọs na ya na ndị náesoụzọ Ya ndịọzọ arapụwo ihe niile wee soo Ya, ma Jisọs zara ha sị, “N’ezie asim unu, ọ digh onye ọ bula nke rapuru ulo, ma-ọbu nwunye, ma-ọbu umu-nne ma-ọbu ndi muru-ya ma-ọbu umu, n’ihi ala-eze Chineke, nke nāgagh anata kari ọtutu ihe n’oge a, nata kwa ndụ ebigh-ebi, n’oge nke nābia” (Luk 18:29, 30). N’oge ọzọ Onyenweanyị gwara ndị ahụ “Ya mere otú a, onye ọ bula nime unu nke nāgbakutagh ihe nile o nwere ázù, ọ pugh ibu onye nēso uzọm” (Luk 14:33).

Oge niile anyị naekwuokwu banyere ịkwụ ụgwọ n’ihi Oziọma ahụ. Ịkwụ ụgwọ ahụ bụ̀ inyechasị Jisọs ọchịchọ obi anyị, ka O wee nweeike gwa anyị ihe ọ bụla Ọ chọrọ ka anyị mee, anyị ewee mee kwa ya.

**Ụ́gbụ́ Azụ̀ Ahụ**

Jisọs tụkwara ilu ọzọ banyere Alaeze Eluigwe. O jiri Alaeze ahụ tụnyere ụ́gbụ́ azụ̀ awụnyere nime mmiri, ma mgbe ewepụtara ya, achọpụtara ụdị azụ̀ ọ bụla nime ya, ma ndịọma ma ndịọjọọ. Ma onye ọkụ̀azụ̀ ahụ achọghị azụ̀ ndị ahụ náadịghị mma oriri, nke mere na o kewapụrụ ha n’ebe ndị ahụ dị mma dị, wee tufue ha.

Ezi mmadụ na ajọọ mmadụ ha niile naebikọta n’otù ugbu a, ma mgbe Jisọs gaabiaghachi ọzọ n’ụwa nke a Ọ gaewere ndị bụ̀ nke Ya ka ha binyere Ya, ma ndị ahụ náemebiiwu ka agaatụba n’ọkụ ebighịebi ahụ ebe mmekpaarụ dị ukwuu dị nke mere na ndị ahụ gaasụ̀ udè taa kwa ikekere ézè. Ọ dịghị onye ọ gaadị mma ịga n’ebe ahụ jọgburu onweya. Onye ọ bụla nime anyị nwereike isonye nime azụ̀ ndị ahụ dị mma ndị Jisọs hụkwara n’anya, ma ọbụrụ na anyị hụrụ Ya n’anya nkeọma náebi kwa ndụ dịka Ọ chọrọ ka anyị bie.

**Ákụ̀ Niile Dị Ọhụụ Na Nke Ochie**

Jisọs jụrụ ndị náesoụzọ Ya ma ha ghọtara ilu ahụ nke Ọ tụụrụ ha. Ha zaghachiri, “E, Onye-nwe-ayi.” Ihe ndịa bụ̀ eziokwu ahụ nke dị óké ọnụahịa bụ́ nke Jisọs naekpughere ndị nke Ya, ma Ọ chọkwara ka ha gwa ya ndịọzọ. Ndị odeakwụkwọ ahụ bụ̀ ndị nwereike ịgụ Akwụkwọnsọ ma nwee kwa ike ịkọwa ya. Jisọs chọrọ ka ndị náesoụzọ Ya bụrụ ndị odeakwụkwọ ndị ghọtara ọ̀zízí nke Agba Ọhụụ nke Ọ naekwusa, ma nwee kwa ike ịkọwara ya ndịọzọ. Ọ dịghị ihe dị óké ọnụahịa dịka Oziọma ahụ.

Ezi OnyeKraist naenwe obiụtọ ịkọrọ ndịọzọ ihe Jisọs meere ya. Eleghịanya ọ bụrị onye azọpụtara ọtụtụ arọ garaaga, ma ọ ka naewetara ya ngọzi ịkọwa ọkpụkpọ ókù nke Mmụọ Nsọ kpọrọ ya iso Onyenweanyị. Ọñụ naeju obi ya mgbe ọ náatule ụzọ dị ebube nke esitere na ya duru ya, eleghịanya bịarue n’ebe ọ pụrụ ịnụ akụkọ nke amara ahụ nke eji agbapụta. Nke ahụ bụ̀ “ákù ochie.” Ma OnyeKraist agaghị eleghachi anya ázụ̀ ọtụtụ arọ tupu ya aghọta urù nke Oziọma ahụ bara nime ndụ ya. Kwa ụbọchị ka ọ naachọpụta ákụ̀ ọhụụ; Ìhè iru nke Chineke náagbanwe ike ya kwa ụbọchị náenye kwa ya ọñụ ọhụụ, ọ naachọ kwa ka ụwa wee mata ihe banyere nke a.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye bụ̀ ákụ̀ anyị zoroezo?
2. Gịnị ka nwoke ahụ onye chọtara pearl ahụ dị óké ọnụahịa mere?
3. Gịnị ka anyị gaeme ka ewee zọpụta anyị, anyị ewee nwee Jisọs nime obi anyị?
4. Ònye ka Jisọs ji maa átụ̀ banyere azụ̀ ọma na azụ̀ ọjọọ ahụ nke dị nime ụ́gbụ́ ahụ?
5. Rùe òle mgbe ka ha ganaanọkọta n’otù?
6. Gịnị bụ̀ “ákụ̀ ọhụụ na nke ochie” anyị?